## NCHỊKỌTA ASỤSỤ ESIGHI IKE NGHỌTA NKE IWU ENYEMAKA NKE EGO NLEKỌTA AHỤIKE

**Nlezùanya**

N'iburu n'uche ọrụ ya iji meziwanye ahụike nke obodo ya, site na iji nkwanye ùgwù pụrụ iche maka ndị ogbenye na ndị enweghị nkwado, na mmụọ nke ọrụ ọgwụgwọ Jizọs, Bon Secours Mercy Health na-agba mbọ ịnye ndị ọrịa ya enyemaka ego. Nke a bụ nchịkọta nke Iwu Enyemaka Nke Ego Maka Nlekọta Ahụike Bon Secours Mercy Health (HFA) maka ụlọ ọgwụ gụnyere Bon Secours Mercy Health Emporia LLC, Bon Secours Mercy Health Franklin LLC, na Bon Secours Mercy Health Petersburg LLC.

**Ọdịdị Enyemaka nke Ego**

A na-ekpebi ntozu maka enyemaka nke ego site na enwemike nke onye ọrịa ma ọ bụ onye na-ekwe nkwa ya ịkwụ ụgwọ mgbe ejirila akụ niile enwere ma enyochala mmemme enyemaka niile dịnụ. Enyemaka nke ego dị maka ihe mberede na nlekọta ahụike ọzọ dị mkpa nke ụlọ ọgwụ ndị Bon Secours Mercy Health nke di na Ndịda ọwụwa anyanwụ Virginia (na ụfọdụ ndị nweta ndị ọzọ) nyeere ndị ọrịa na-enweghị mkpuchi ahụike na ndị mkpuchi ha ezughị okè bi na obodo ụlọ ọgwụ ndị Bon Secours Mercy Health na-arụ ọrụ, ya na ndị ụgwọ ọnwa ezinụlọ ha agafeghị ugboro anọ nke Ndu Ịda Ogbenye Nke Gọọmenti Etiti (FPG).

**Ihe Ndị Achọrọ maka Ntozu**

A na-ekpebikarị enyemaka nke ego site na ìgwè ihe ọkpụkpụ nke mgbakọta ego niile ezinụlọ na-akpata nke dabeere na FPG. Ndị mmadụ tozuru ịnweta enyemaka nke ego n'okpuru iwu anyị nwere ọkwa ụgwọ ọnwa ruru 200% FPG ma ọ bụ n'okpuru ya ga-enweta nlekọta n'efu. Ndi mmadu nwere ọkwa ụgwọ ọnwa sitere na 201% rue 300% FPG, na 301% rue 400% FPG, n'otu n'otu, na-enweta nlezianya ebepụrụ ego dabeere na ìgwè ihe ọkpụkpụ, dịka esiri mepụta ya na Iwu. Kpọmkwem ego ebepụrụ n'ime narị maka 201%-300% FPG, yana 301% rue 400% FPG, ana emelite ọkwa ụgwọ ọnwa kwa afọ maka ahia obula ịkwekọ na mgbanwe nke onye isi ego a.

Onweghi onye ruru eru inweta enyemaka nke ego n'okpuru iwu HFA nke a ga-akwụ ụgwọ karịa maka ihe mberede ma ọ bụ nlekọta ahụike ndị ọzọ dị mkpa karịa ego ana-agbakarị ndị nwere mkpuchi nke na-ekpuchi ụdị nlekọta ahụ ụgwọ. Ọ bụrụ na mmadụ nwere mkpuchi nke zuru oke ma ọ bụ akụ dịnụ iji kwụọ ụgwọ maka nlekọta, enwere ike iche na o tozughi inweta enyemaka nke ego. Maka ndị ọrịa ahụ na-enweghị mkpuchi na-erughị eru maka inweta enyemaka nke ego na mwepụ ego dịka esiri kọwaa ya na iwu HFA, ndị Bon Secours Mercy Health na-enye mwepụ ego kemmèrènàònwe (kwụọ ụgwọ na onwe gị) na ụgwọ ụlọ ọgwụ ha. Biko rụtụ aka na Iwu HFA zuru ezu maka nkọwa zuru ezu.

**Banyere Usoro Ntinye-akwụkwọ**

Usoro maka itinye akwụkwọ maka enyemaka nke ego n'okpuru Iwu HFA anyị gụnyere usoro ndị a:

- Dejuputa Mpempe Akwụkwọ maka Ntinye-akwụkwọ nke HFA ma tinyekwa akwụkwọ nkwado ndị ọzọ achọrọ.
    - Anyị na-elele ụgwọ ọnwa gị na nhatanha ezinụlọ gị iji mara ọkwa enyemaka dị maka gị. Anyị na-eji ígwè ihe ọkpụkpụ, dabeere na FPG edepụtara na elu.
    - Anyị na-achọ ka ị buru ụzọ lelee ntozu maka ụfọdụ ụdị uru mkpuchi nwere ike ikpuchi nlekọta gị (yabụ ego mmenyere onye ọrụ, mkpuchi maka ụgbọala, wee dịrị gaba) Anyị nwere ike inye aka gosi gị ụzọ ndị ọzọ kwesịrị ekwesị.
- Anyị ga-akpọtụrụ gị iji gwa gị ma ị tozuru inweta enyemaka nke ego n'okpuru Iwu HFA anyị.
- Anyị nwere ike inyere gị aka ịhazi atụmatụ ịkwụ ụgwọ maka ụgwọ ndị ọzọ fọdụrụnụ nke na-enweghị mkpuchi n'okpuru Iwu HFA anyị.
    - Atụmatụ ịkwụ ụgwọ ga atule ọnọdụ ego gị iji mepụta ụgwọ ị nwere ike ịkwụ.

**Ebe aga esi Nweta Ozi**

Ị nwere ike ịnweta mpempe akwụkwọ iwu HFA anyị na akwụkwọ ntinye nke HFA, ya na ihe ọmụma banyere usoro ntinye akwụkwọ maka enyemaka nke ego: (i) sitena ije na weebụsaịtị anyị dị na www.bsmhealth.org/financial-assistance , na www.fa.bonsecours.com, ma ọ bụ , (ii) sitena ịkpọtụrụ Ndị Ọrụ Ego na-ahụ maka Ndị Ọrịa site na ekwentị bụ 1-804-765-5557, (iii) sitena ide akwụkwọ arịrịọ degaara Ebe ndịda Ụlọ Ọgwụ Bon Secours (Bon Secours Southside Regional Medical Cente), 200 Medical Park Blvd., Petersburg, VA 23805 Attn: Inye Ndụmọdụ banyere (Financial Counseling) Ego, ma ọ bụ (iv) sitena ịkpọtụrụ ndị ọrụ ndụmọdụ banyere ego nke anyị n'onwe na ebe ọ bụla ụlọ ọgwụ anyị dị (lee Iwu HFA anyị n'uju maka ndesịta ụlọ ọrụ anyị gasị na ebe ha dị).

Anyị na-anabata igwe ndị mmadụ niile dị mkpa ndị Bon Secours Mercy Health na elekọta nke nwere nsogbu n'isu asụsụ Bekee site na ịsụgharị oyiri akwụkwọ Iwu HFA anyị, Mpempe Akwụkwọ Ntinye-akwụkwọ, na Nchịkọta nke a n'asụsụ mbụ ndị ìgwè mmadụ ahụ na-asụ. Anyị nwekwara ike ịhọrọ iwepụta enyemaka nsụgharị asụsụ, ndu nsụgharị asụsụ, ma ọ bụ wepụta enyemaka sitena iji ndị nsụgharị asụsụ abụọ tozuru etozu.